A Gwọọ Otu Onye Ekpenta!

Otú ị ga-esi mee ya: Nọrọ n'ebe ụzụ na-adịghị mee ihe omume a. Mgbe ị na-agụ ebe ndị ahụ a chọrọ ka ị gụọ n'Akwụkwọ Nsọ, were ya na ị nọ mgbe ihe ahụ ị na-agụ mere. Jiri uche gị kirie ebe ọ na-eme. Nụrụ ihe ndị nọ n'ebe ahụ na-ekwu. Gbalịa ka ị ghọta otú obi dị ndị ị na-agụ akụkọ ha. Ka ihe ị na-agụ yie gị ka ọ na-eme eme ugbu a.

Ndị bụ isi n'akụkọ a: Neaman, Ịlaịsha, na nwatakịrị nwaanyị Izrel a na-akpọghị aha

Nchịkọta: A gwọrọ onyeisi ndị agha Siria, bụ Neaman, otu ọrịa na-asọ oyi mgbe otu nwatakịrị nwaanyị Izrel tụụrụ ya aro ka ọ gaa hụ Ịlaịsha.

❶ *CHEBARA OTÚ IHE A SI MEE ECHICHE.—GỤỌ 2 NDỊ EZE 5:1-19.*

Olee otú i chere obi ga na-adị nwatakịrị nwaanyị Izrel ahụ ebe ọ bụ na a kpọpụrụ ya n'ezinụlọ ya bụ ndị na-atụ egwu Chineke? _____

_____

_____

Olee otú i chere obi ga na-adị Neaman, bụ dike nke nwere ọrịa na-asọ oyi? _____

_____

Olee otú i chere obi dị Neaman na ndị na-ejere ya ozi ka ha na-enwe mkparịta ụka ahụ dị n'amaokwu nke 11 ruo 13? _____

_____

Olee otú i chere Neaman si gbanwee otú o si ele ihe anya malite n'amaokwu nke 15? _____

_____

❷ *LEBAKWUO YA ANYA.*

Olee ihe ndị o nwere ike ịbụ ha so mee ka Neaman dị mpako? (*Gụghachi amaokwu 1.*) _____

_____

Jiri ihe ndị e ji eme nnyocha i nwere chọpụta ihe ụfọdụ banyere ihe a na-akpọ ekpenta n'oge Baịbụl.* (Dị ka ihe atụ, olee otú ọrịa ahụ jọruru ná njọ? Ọ na-efe efe? Olee otú e si agwọ ya?) _____

* Ọrịa a na-akpọ ọrịa Hansen taa so n'ọrịa akpụkpọ ahú a kpọrọ ekpenta n'oge Baịbụl.

Olee otú i chere ọgwụgwọ Neaman nwere ike isi metụta nwatakịrị nwaanyị Izrel ahụ?

Olee otú ihe Ịlaịsha zara nwere ike isi ghọọrọ Neaman ule? (Gụọ amaokwu 10.)

3 *MEE IHE Ị MỤTARA. DEE IHE Ị MỤTARA BANYERE . . .*

Nsogbu mpako na-eweta.

Iji obi ike ekwu ihe ndị i kweere.

Ike Jehova nwere ịgwọ ọrịa.

4 *OLEE IHE KACHA BAARA GỊ URU N'AKỤKỌ A? Ọ BỤ MAKA GỊNỊ?*

www.jw.org © 2010 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania